# Ọrụ Mmwulite Omume na Agwa Ọma

Onye ahụ nke na-akpọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwazu ya.

***1Tesalonaịka 5:24***

## Ọrụ Ebere - Usoro Ọmụmụ tupu Mmalite Omume

**Nhụba ama** - tupu ị gụọ ihe dị na modulu a, ọ dị mkpa ka emechaa Nzọụkwụ 1 (ịgụ Nchịkọta - echiche ndabere nke ndị nne na nna jị amalite). Nke a na-enye ọnọdụ ebe ngalaba omume ọma ọ bụla dabere. Dịka egosiri na akwụkwọ ahụ, e dere ntuziaka ndị a nye ndị nne na nna, mana ha metụtara onye ndu ọ bụla ya na ndị ntorobịa na-arụkọ ọrụ (afọ 5 ruo 25). Ebe ọ bụ na ezinụlọ bụ isi mkpa, ihe nlekwasị dị na ya dị ebe a. Modulu nke mbu emecharala nke gbasara Ịdị Umeala n'Obi, Ekele Ihuoma, na Nmesapụ aka na-enyekwa aka.

Njem anyị na-ịhazi omume ọma malitere na-ịdị umeala n'obi, ebe anyị mụtara na anyị na-erite uru na ihe ọrụ ego ndị ọzọ wuru. Nke ọzọ, ekele ihuoma gosiri anyị na inye ekele bara uru nyere anyị nakwa obodo. Omume ọma nke atọ, mmesapụ aka, bụ ụzọ isi bulie ekele ihuoma anyị gaa n'ọkwa ọzọ, nke miri emi ma jupụtakwa. Ugbu a, anyị na-abịa n'ọrụ ebere, nke na-ejikọta omume ọma ndị ọzọ n'ozuzu oke. Anyị ga-eji okwu a, ọrụ ebere, n'ụzọ e si jiri ya mee ihe n'oge ochie, ọtụtụ narị afọ gara aga, tupu ọ ghọọ ihe nnọchianya maka inye ndị nọ ná mkpa.

Okwu a bụ́ ọrụ ebere sitere na Latin caritas, nke pụtara ịhụnanya. Nke a bụ ihe mere ntụgharị Baịbụl nke oge a jiri were ịhụnanya dochie ọrụ ebere (na ntụgharị King James). Dịka imaatụ, okwu Grik mbụ dị na 1 Ndị Kọrịnt 13 bụ agapē, nke bụ ịhụnanya Chineke. Ya mere, ọ dabara adaba na KJV jiri ọrụ ebere mee ihe na ntụgharị ya, ọ dịkwa mma na ntụgharị ọgbara ọhụrụ na-eji ịhụnanya; ihe ndị a niile bụ iji gosi na agapē bụ ịhụnanya Chineke. Na-gbanyeghị, ka oge na-aga, iji ịhụnanya agbanweela gaa na-iche ịhụnanya dị ka mmetụta uche. N'otu aka ahụ, a na-ele ọrụ ebere anya ugbu a dị ka inye onyinye, na-elekwasị anya na ihe ga-esi na ya pụta.

Ihe kpatara anyị ji họrọ ịkọwa ọrụ ebere dị ka omume ọma di uzo ihe abụọ. Nke mbụ, ojiji ọtụtụ narị afọ gara aga dị nnọọ nso na ihe agapē pụtara na Baịbụl. E nwere ma akụkụ dị n'ime ihe a pụtara nakwa akụkụ dị na mpụga gbasara otu esi ebi ndụ oru ebere a. Akụkụ dị n'ime na nke mpụga kwekọrọ na echiche nke omume ọma. Nke abụọ, iji ịhụnanya eme ihe dị ka omume ọma enweghị nghọta nke agapē n'ihi na omenala nke oge a ebelatala mmetụta nke na nhazi omume ọma na-ebute, na-elekwasị anya karịsịa na mmetụta ịhụnanya nke ọnụ ahụ. Anyị ga-ahụ na ọrụ ebere nwere odide, nke bu mgbe e biputara ndụ ya, na-eweta iche echiche banyere ndị ọzọ, ebe uru ha bụ ihe mgbaru ọsọ na-enweghị ọchịchọ maka nkwughachi. Ọ bụ ezie na ọtụtụ mmadụ nwere ngwakọta nke ebumnuche, gụnyere ihe mmadụ nwere ike irite site na-inye onye ọzọ ihe, ọrụ ebere na mgbadosi ike gbanyere mkpọrọgwụ ya n'omume dị n'ime.

Ndị ọkà mmụta mmekọrịta sayensị bụ́ Alvin Gouldner na Robert Cialdini na-ekwu na e nwere mmetụta nke mmeghachi omume oma nke na-ebilitekarị mgbe mmadụ na-emepu aka na-inye onyinye. Nke a pụtara na ma onye na-enye ihe ma onye na-anara ihe na-etolite na nkwenye na inye onyinye chọrọ ihe yiri ya maka nkwụghachi ihe enyere. Ọ bụ ezie na nke a nwere ike ịbụ ihe dị mma na ndụ onye na-anara ihe onyinye, mana nke a di iche n'ebe ọrụ ebere dị n'ime onye na-enye ihe site n'obi ya.

Ihe kpatara na ọ gaghị ekwe omume ịchọpụta ihe mmadụ bu n'obi na-enye onyinye, bụ na anyị nwere mmasị ịzụlite àgwà umu Chineke nke na-eweta ezi oru ebere, na-elebara anya na mkpa nke ndi ọzọ na-echeghi maka ihe nrite. Mmadụ nwere ike ilekwasị anya na ubara oninye enyere ya ebe ọ bụ na enyemaka

ahụ ga-aka mma site na-inye onyinye ka ukwuu. Na-gbanyeghị, Jizọs kụziiri anyị na nke a bụ isi ihe na-ezighi ezi.

Jizọs kowara na nwanyị isikpe ahu nyere onyinye site n'obi ya, ọ bụghị site akụnụba ya. Nke a bụ ihe imaatụ nke ọrụ ebere. Ọ ghọtara na ịgbanwe obi, dịka ọ dị na-ịmepụta omume ọma, na-eduba n'omume mpụga nke na-egosipụta mgbanwe sitere n'ime. Nke a na-enwe ezi mmetụta obodo. C. S. Lewis kọwara nke a kama ọ bụghị dị ka mmetụta uche, kama dị ka ọnọdụ nke uche nke anyị nwere n'onwe anyị, ma na-aghaghị ịmụta inwekwa ya banyere ndị ọzọ.

Jizọs kwuru ya otu a:

*Iwu ọhụrụ ka m na-enye unu: ka unu hụ ibe unu n'anya; dịka m hụrụ unu n'anya, ka unu onwe unu hụkwa ibe unu n'anya. Site na nke a, mmadụ niile ga-amata na unu bụ ndị na-eso ụzọ m, ma ọ bụrụ na unu nwere ịhụnanya n'ebe ibe unu nọ (Jọn 13:34-35).*

Paul J. Wadell (n'isiakwụkwọ ya bụ́ Charity: How Friendship with God Unfolds) lere anya n'ihe odide sara mbara nke St. Thomas Aquinas gbasara ọdịdị nke ọrụ ebere (n'akwụkwọ ya bụ́ Summa Theologica). Nyocha ụfọdụ isiokwu ndi Aquinas kwuru ga-enyere anyị aka ịghọta ihe mere ọrụ ebere ji dị mkpa maka mwulite àgwà di nso. Ọ bụ ezie na Aristotle dere banyere omume ọma, o kweghị na ndị mmadụ nwere ike inwe mmekọrịta nkeonwe na chi (Chineke). N'aka nke ọzọ, Aquinas dabere nghọta na echiche si, na Chineke ruturu ụmụ mmadụ aka site n'ịhụnanya ya di nso nke chọrọ mmekọrịta dị n'etiti ndị enyi. A ga-ebiputa ndụ a dị ka mmekọrịta chiri anya na Chineke, na-ekerịkota ndụ Ya, ịdị mma Ya, na obi ụtọ Ya. Ọkwa kachasị elu nke ndụ ga-ekwe omume naanị na njikọ a na Chineke. Ọ bụ ezie na ndị mmadụ na-achọ ihe ọ bụla dị mkpa maka oganiihu nke mmadu, ndụ ọbụbụ enyi a nke mmadu na Chineke bụ mmekọrịta miri emi nke na-eme ka anyị bụ́ ndị Chineke hụrụ n'anya ma jiri oke ọnụ ahịa nwere, bia wee na-ahụkwa Chineke n'anya. Ọ bụ ezie na anyị nwere ike ịnweta nke a ugbu a, anyi ga-enweta ya nke ọma n'eluigwe. Ọrụ ebere bụ isi ihe dị n'ụdị ndụ a nke gụnyere omume ọma niile, a na-egosipụtakwa ya n'àgwà di nso.

Ọ dị mkpa ịghọta na, ọ bụ ezie na e nwere mmekọrịta miri emi na Chineke n'ime ọbụbụenyi a, ọ ga-anọgide na-eto ma na-agbasa ruo n'ókè nke gụnyere ndị gbara anyị gburugburu, ikekwe ọ gụnyere ndị iro anyị. Udi enyi Chineke chọrọ ga-eme ka anyị pụọ n'onwe anyị wee banye n'ụwa site n'omume oma dị iche iche (dịka ọmụmaatụ, ịdị umeala n'obi, ekele ihuoma, mmesapụ aka, obiọma, ọmịiko). Ya mere, mmadụ apụghị ịhụ Chineke n'anya ma ọ bụrụ na ọ hụghị onye agbata obi ya n'anya.

*Jizọs zara, sị: "'Jiri obi gị dum na mkpụrụ obi gị dum na uche gị dum hụ Onyenwe anyị bụ́ Chineke gị n'anya.' Nke a bụ iwu mbụ na nke kasị ukwuu. Ma nke abụọ dị ka ya bu: 'Hụ onye agbata obi gị n'anya dị ka onwe gị'" (Matiu 22:37-39)*

Aquinas dere na agwa ọma na-amalite site na-ịmara ozuzu oke anyị ma ghọtakwa na anyị dị anya n'ozuzukọ. Ọchịchọ anyị maka afọ ojuju (obi ụtọ) agaghị ezu oke ruo mgbe anyị nwetara ndụ ọrụ ebere – ọbụbụenyi na Chineke. Augustine di asọ kwuru ya n'ụzọ a: I keela anyị maka onwe gị, Onyenwe anyị, obi anyị agaghikwa ezụ ike ruo mgbe ha zuru ike n'ime gị. Nyere Aquinas, ndụ dị mma bụ mgbe anyị ghọtara na anyị aghaghị ịghọ ndị ndụ ha gbanyere mkpọrọgwụ ma mara nke ọma site na ọrụ ebere. Ya mere, anyị nwere ike iji amamihe na ọchịchọ obi ekere òkè n'ịdị mma, ịma mma, na ịdị nsọ nke Chineke. Ọrụ ebere na-eme ka nke a kwe mee.

Ọ bụ ezie na ọrụ ebere gụnyere ọbụbụenyi na Chineke, ọ chọkwara ntinye aka na ihe banyere ndụ ndị ọzọ nọ n'obodo anyị. Ma ọbụbụenyi anyi na Chineke na ọbụbụenyi aniy na ndị ọzọ apughị nweta site na mgbalị

nke mmadụ. Ọ bụ naanị site n'ike nke Mmụọ Nsọ ka anyị enwere ike itolite n'ọrụ ebere. Nke a dị maka onye ọ bụla chọrọ inweta ya. Ya mere, ọbụbụenyi anyị sitere naani n'aka Chineke bia.

Ọ dị mkpa ịghọta na ọbụbụenyi bụ mmekọrịta ebe mmadụ abụọ so na ya na-agba mbọ maka ọdịmma nke ibe ha. Ya mere, ndị enyi ahụ abụghị naanị na ha chọrọ ihe ọma maka ibe ha, kamakwa ha na-agbalikwa ime nke ahụ. Anyị na-ahụ ihe imaatụ di otu a na nke Chineke bu na-izite Ọkpara Ya ka ọ nwụọ maka anyị. Mgbe anyị nabatara onyinye a, ma kwe ka Mmụọ Nsọ rụọ ọrụ ná ndụ anyị, anyị na-amalite ibi ndụ ọrụ ebere ná ndụ ndị enyi anyị, dịka ekwuru na 1 Jọn 4:10-11: *Nke a bụ ịhụnanya: ọ bụghị na anyị hụrụ Chineke n'anya, kama na ọ hụrụ anyị n'anya ma zite Ọkpara Ya ka ọ bụrụ àjà mgbapụta maka mmehie anyị.* Ndị enyi m, ebe Chineke hụrụ anyị n'anya otú a, anyị kwesịkwara ịhụ ibe anyị n'anya. Ndụ Chineke na anyi na-ekerịta na-enye anyị ohere ikerita ya nye ndị ọzọ. N'ihi ya, anyị na Chineke na ndị ọzọ na-ekerịta koinonia (mmekọrịta).

Ọ bara uru ka anyị ghọta na mmekọrịta oru ebere- ọbụbụenyi ga-abawanye ruo ndị ọzọ. Anyị hụrụ ndị ọzọ n'anya n'ihi na anyị hụrụ Chineke n'anya. Nke a na-eduba anyị n'ịhụ ọdịmma ha n'anya ka ha wee nwee ike ịhụ Chineke n'otu ụzọ ahụ. Aquinas kwuru si, Ọrụ ebere bụ obodo zuru ụwa ọnụ nke ndị niile nọ na ya; naanị otu obodo ezie zuru ụwa ọnụ nke ndị niile hutara onwe ha ka ndi akpọrọ òkù maka ngọzi ebighị ebi n'ime Chineke. Ya mere, ọrụ ebere na-eme ka anyị bụrụ ezi enyi nke ibe anyị ma ọbụnadi ugbu a ka anyị wee were ndị ọzọ dị ka akụkụ nke onwe anyị, ma chọọ maka ha otu ihe ọma ahụ anyị chọrọ maka onwe anyị. Tụlee ịhụnanya nke nwoke na nwanyị mgbe ha lụrụ di na nwunye. Nwoke ahụ hụrụ nwunye ya n'anya, ma hụkwa ezinụlọ nwunye ya n'anya n'ihi na ọ hụrụ ya n'anya. Ha na-ahụkwa ya bu ọgọ ha na ezinụlọ ya n'anya. Njikọ a na-abawanye ruo ndị ezinụlọ hụrụ n'anya. Mgbe ịhụnanya ndị a nọgidere na-ejikọ, ọ na-enye anyi ịhụ ndị iro anyi n'anya n'ihi na onye a hụrụ n'anya hụrụ ha n'anya. Njikọ a malitere n'obi Chineke, mana ọ na-agbasa ruo ọtụtụ ndị ọzọ. Ọrụ ebere na-ekewapụta obodo kachasị emetụ n'ahụ n'ihi na site n'amara ya, Chineke ebiri n'ime onye ọ bụla n'ime anyị, anyị ebirikwa n'ime Chineke. Ya mere, ọrụ ebere na-aghọ omume ọma nke na-eme ka anyị bikọọ ọnụ. Ọ bụ ezie na anyị nwere ike ịnọ ezinụlọ anyị nso, ọ bụ naanị maka oke ọrụ ebere si emetụta mmadụ niile, ọ bụghị maka otú ọrụ ebere siri di, nke bu otu ihe mmetụta ahu nyere mmadụ niile.

Nsonaazụ nke ọrụ ebere n'ụzọ dị otú a nwere ike ịpụta na-inye ndị ọzọ onyinye, gụnyere ndị na-enweghị ike, ma ọ bụ na-agaghị akwụghachi anyị ụgwọ. (Ọ bụ mpaghara ọrụ ebere nke a nọgidere dị ka ihe okwu ahụ pụtara na-gbanwe ka oge na-aga.) Nke a bụ ngosipụta nke ókè ọrụ ebere nwere ike ịmalite na ọdịdị mmadụ. Obodo anyị ugbu a enweghị oke. Jizọs kụziri nke a n’akụkọ banyere ezi onye Sameria (Luk 10:25–37). N'ebe a, Ọ na-egosi na ọrụ ebere nwere ike ịdị ka imere ndị nọ ná mkpa ebere. O nwere ike ịbụ obiọma, ebe a na-aru oru ebere site na-ịchọ ụzọ isi nyere ndị ọzọ aka, gbakwunyere inye ihe onwunwe iji gboo mkpa ana-ahụ́ anya (Matiu 25:31-46).

Jonathan Edwards mepụtara usoro okwu chukwu gbasara ihe 1 Ndị Kọrịnt 13 pụtara, ebe Pọl kọwara ọdịdị na ọnọdụ nke ọrụ ebere (ịhụnanya Chineke) na ndụ Onye Kraịst. O kwubiri na ọrụ ebere, nke na-enweghị oke ọ bụla, nke na-anaghị achọ ọdịmma onwe ya nanị, na nke ịchụ àjà, dị mkpa n'ihe omume niile. Na-enweghị ọrụ ebere, ọ dịghị ihe onye ọ bụla na-eme nwere uru ọ bụla.

*Mmadụ nweta ihe ọ chọrọ, meekwa ihe ọ chọrọ, ọ pụtaghị ihe ọ bụla ma enweghị ịhụnanya; nke pụtara n'ezie na ịhụnanya bụ ihe dị ukwuu, nakwa na ihe ọ bụla nke na-enweghị ịhụnanya n'ụzọ ụfọdụ ma ọ bụ nke di agha na-egosi na ọ bụ ihe efu, nakwa na ịhụnanya a bụ ndụ na mkpụrụ obi nke okpukperechi niile, nke na- ewezuga ya ihe niile a na-akpọ omume ọma bụ ihe efu.*

Ịhụnanya Chineke a sitere n'aka Chineke ruo Onye otu Kraịst ọ bụla site na Mmụọ Nsọ. Ọ bụ ezie na ọ nwere ike ịpụta ìhè dị iche iche site na otu onye gaa na nke ọzọ, ntọala ahụ bụ otu ihe ahụ n'obi ọ bụla. Ya mere, otu ihe ahụ dị n'ime onye ọ bụla. Ịhụnanya anyị nwere n'ebe Chineke nọ ga-eme ka anyị jee ije dị umeala n'obi. Nke a ga-eduba anyị n'agwa di iche iche n'ebe ndị ọzọ nọ maka ezi ịhụnanya na ọbụbụenyi na-eme ka anyị na-enye ndị anyị hụrụ n'anya ihe kwesịrị ha, ghara imejọ ha mgbe niile. Ọ bụrụ na obi gị jupụtara n'ịhụnanya, ọ ga-achọta ohere; ị ga-achọta ma ọ bụ mepee ụzọ zuru oke iji gosipụta ịhụnanya gị n'omume.

Edwards gara n'ihu site na-ịkọwa na ihe niile mmadụ nwere ike ime, na ahụhụ niile ha nwere ike ịta, enweghị ike inochite enweghị ịhụnanya Ndị Kraịst n'obi. Ọchịchọ anyị ilekwasị anya n'ọnọdụ na otu anyị si eme ihe na-eme ka anyị ghara ịhụ mkpa ọrụ ebere dị n'obi anyị. Ndidi bụ otu mpaghara dị mkpa nke chọrọ ọrụ ebere ka anyị wee nwee ike ịtagide. Nke a sitere n'ọchịchọ iṅomi Jizọs, onye tara ahụhụ n'obe maka anyị. Ahụmịhe ndị a na-akụziri anyị ịhụ Chineke n'ọrụ n'ọnọdụ niile. Ka anyị na-amụta ịchọ aka Chineke, anyị na-amụta ichigharịkwuru Ya nakwa ịdabere na Ya. Nke a bụ otu uzo ọrụ ebere n'agwa, ibiputa ndụ umeala n'obi.

N'otu aka ahụ, ọtụtụ obiọma anyị nwere ike ime dị mkpa, mana *ọrụ ebere* aghaghị ịdị n'etiti ha. Ọ bụ ihe ekere anyị imere ndị ọzọ ihe ọma n'efu site na-inye ha ihe ha chọrọ site n'ihe anyị nwere. Nke a nwere ike ịbụ n'ụdị ihe onwunwe, ma ọ bụ na-ịtara ha ahụhụ. Site n'ụzọ dị otu a, anyị ana-eme ihe ọma, ọbụnagode nyere ndị iro anyị (Matiu 5:38-48). Chineke chọkwara ka anyị jiri obi ụtọ na-eme nke a (1 Ndị Kọrịnt 9:7), mana n'ụba, mana n'uju, nke ga-ekwe omume naanị mgbe Mmụọ Nsọ gbanwere anyị n'ọdịdị ekere anyị. Cheta, anyị mụtara na *mmesapụ* aka na anyị nwere Chi nke ụbaranuju.

*Ọrụ ebere* bụ ihe megidere anyaụfụ. Nke a pụtara ìhè n'okwu nkowa ndị putara ìhè, ma gbanye mkpọrọgwụ n'ọnọdụ obi. N'ezie, *ọrụ ebere* na-aṅụrị ọṅụ na ọganihu nke ndị ọzọ. *Ịdị umeala n'obi* pụtara ìhè n'ọru ebere na-ebilite mgbe anyị matara (a) ịdị ukwuu nke Chineke, na (b) ebe dị anya n'etiti anyị na Chineke nke Ọ gara njem wee wetara anyị ọrụ ebere. Mgbe anyị ghotara ka anyị si pee mpe n'ihu Chineke, anyị ga-enwe mmasị inye Chineke otuto nile maka ihe ọ bụla O na-emere anyi ma ọ bụ ihe ọ bụla anyị nwere ike ime. Nke a na-ebutekwa ịdị umeala n'ihu ndị ọzọ. Anyị na-achọ inyere ndị ọzọ aka ịmata Chineke ya na igbo mkpa ọ bụla anyị nwere ike, iji mee ka ha na Ya (Chineke) nwee mmekọrịta. Ịchọ ọdịmma onwe onye naanị enweghị ohere n'ebe onye na-amụ *ọrụ ebere* nọ. N'ihi ya, onye ahu na-achọ ihe ọma Ọ ga-emere ndị ọzọ. Ilekọta naanị onwe onye na-egbochi nkwalite *ọrụ ebere* ebe ọ bụ na *ọrụ ebere* na-eme ka ịhụnanya miri emi maka Chineke na-ebute ịhụnanya maka ndị ọzọ. Ịmụta ịdabere na Chineke naanị abia ghọọ otu akụkụ *ọrụ ebere*. Anyị aghọta na Chineke ga-elekọta anyị. Anyị abia nwee ohere onwe anyị inyesapụ ndị ọzọ onyinye (mmesapụ aka).

*Ọrụ ebere* anaghị eche ihe ọjọọ banyere ndị ọzọ (ma ọ bụ chee echiche n'ụzọ na-ezighị ezi). Nke a bụ Mmesapụ aka nke Uche. Ọtụtụ mmadụ na-eche ozugbo na ndị ọzọ na-eme ihe n'ebumnobi ọjọọ. Ọtụtụ mgbe, echiche a na-ebilite n'ihi na onye ahụ adịghị njikere ịnakwere na nke a na-egosipụta otú o si eme ihe. Chineke na-arụ ọrụ iji gbanwee anyị ka anyị chọọ eziokwu n'akụkụ niile nke ndụ anyị. Nke a na-eme ka anyị bie ndụ dị nsọ nke ịdị umeala n'obi na nkwanye ugwu n'ihu Chineke.

Ya mere, o doro anya na ịhụnanya bụ àgwà ọma nke na-akwalite omume ọma ndị ọzọ niile, na-eme ka ha dabere na ibe ha. Ebe ha nwere otu isi iyi, Jizọs Kraịst, ma na-ebilite site na ọrụ nke Mmụọ Nsọ, ihe si na ya pụta bụ àgwà Chineke nke na-anagide ihe niile (1 Ndị Kọrịnt 13:7). O buru na-inwere ịhụnanya n'obi, I nwere ike iguzogide mmegide ọ bụla na ọnọdụ ọ bụla. Na mgbakwunye, ịhụnanya anaghị ada ada (1 Ndị Kọrịnt 13:8). Ọ ga-adịgide ndụ mmadụ niile ma dịkwa mkpa ruo mgbe ebighị ebi. Mmekọrịta niile dị

n'eluigwe ga-adị ndụ site n'ịhụnanya. Ha niile ga-enwe ịhụnanya nke na-enweghị oke ọ bụla, nke na-achoghị ọdịmma naani onwe onye, na nke ịchụ àjà.

Ugbua oge eruola ka ịtugharia na ndepụta ihe omume maka usoro *ọrụ ebere*, nke na-enye ma nhọrọ izugbe ma nke nhọrọ ndị dabara na afọ dị iche iche maka ezinụlọ. Dịka ọ dị na mbụ, ebumnuche ndị a bụ inyere gị aka ịzụlite àgwà n'ime ụmụ gị. Jiri ihe ndị a ma ọ bụ mepụta echiche nke gị nke ga-aka mma maka ezinụlọ gị. Dịka ị maara, ọ dị mkpa imeghachi ihe omume ahụ ugboro ugboro ruo mgbe ha ga-aghọ ihe ekere nke ugboro abuọ. Ya mere, mmegharị (kwa ụbọchị, kwa izu) ga-adị oke mkpa.

Ka Chineke gọzie gị ka ị na-arụ ọrụ na ịmepụta omume ọma nke ọrụ ebere.